Itu Ogwuu Dịka Ụzọ Mkpezi Esemokwu N'ụzọ Ọchịchị Ọdịnala Nke Si N'aka

Ezesinachi Juliet Ngozika
Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
+2348033223859/+2348154751685
ngozi.ezesinachi@unn.edu.ng/sinachijully@gmail.com

Na
Ihedigbo Ruth Ebere
Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
+2348034722818
ebereihedigbo@gmail.com

Ụmị edemede

Nchọcha a lebara anya n'itu ogwuu dịka ụzọ ndị ọchịchị ọdịnala si edozi esemokwu n'etiti ndị ha na-achị. Ọ bụ n'Igbo Nsụka ka emere nchọcha a. Enwetara njatule nchọcha a site n'ajụjụ ọnụ na nhụrụ n'anya. Ndị nchọcha gbasoro usoro nkọwa wee mee nchọcha a. Ndị agbara ajụjụ ọnụ nchọcha a bụ ndị okenye ọkachasị ndị onyishi. Ọ bụ mmadụ ise, otu otu na mpaghara obodo dị n'ala Nsụka. Mpaghara obodo ndị abụ Okpuje, Eziani, Obimo, Orba na Opi. Obodo ise ndị a dị na Nsụka Asadu. Atụtụ agbasoro mee nchọcha a bụ atụtụ ebimndụ (cultural theory). Atụtụ a na-akọwa na omenala malitere mgbe mmadụ malitere bibe ndụ n'ụwa. Ọ na-akọwa na ọ bụ site na mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ibe ya mere eji nwee omenala. Ebumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta ihe bụ itu ogwuu, inyocha ihe na-ebute itu ogwuu, ịchọpụta ihe bụ igbuji ogwuu na ileba anya n'ihe ndị ọchịchị ọdịnala na-eme onye gbujiri ogwuu, nakwa itunye aro ga-enyere ndị ọchịchị ọdịnala aka. Ọrụ nchọcha a chọpụtara na itu ogwuu bụ imachi ma ọ bụ ituchi ala na-eseokwu tutuu achọpụta onye nwe ya bụ ala n'eziokwu. Ọ bụ igbochi mmadụ maọbụ otu abụọ na-azọ ala ịrụ ọrụ n'ala ahụ tutuu achọpụta onye nwe ya n'eziokwu. Ọrụ nchọcha a chọpụtakwara na igbuji ogwuu bụ otu onye na ndị na-azọ ala ibanye n'ime ala ahụ ga rụba ọrụ maọbụ were ihe dị n'ala ahụ. Ọ chọpụtakwara na ndị ọchịchị ọdịnala na-ata onye gbujiri ogwuu nnukwu ahụhụ ma

machikwa ya n'obodo maọbụrụ na ọhachaghị nha adara ya. Na ngwụcha, ha tụnyere aro na ndị ọchịchị ọdịnala ga-agba mbọ ịhụ na ha kọwara ọhanaeze ha na-achị ihe dị n'itu ogwuu na igbuji ogwuu ka ndị obodo wepu ya bụ aka enwe n'ofe tupu ọwọrọ aka mmadụ.

Ọkpụrụkpụ Isiokwu: Ogwuu, itu ogwuu, ọchịchị ọdịnala, igbuji ogwuu na nha

Abstract

This research work examines land caveat order (itu ogwuu) as one of the ways the traditional rulers use to settle cases among their subjects/citizen. The work is done in Nsukka land. The data was gotten from unstructured oral interview and personal observation. It is a descriptive research. The researcher interviewed five (5) elderly members from five communities in Nsukka. One elder from each community. They are mostly the eldest in their various communities. The communities include: Okpuje, Eziani, Obimo, Orba and Opi, all in Nsukka land. The researcher employed cultural conflict theory which asserts that culture emanated from the birth of man. The theory states that it is from the relationship between men that culture emerged. The objectives of the study are to find out what is land caveat, examine what causes caveat, investigate what brings about contempt of order and find out what is done to a contemptor and suggest on what should be done to minimize caveat violation, contempt of court order and its consequences. The findings of the research reveals that the contempt of caveat is a legal order placed on a land or any property that is in dispute that none of the parties should use the land or property until the case is settled. The study also finds out that it is conflict over land that brings about caveat. It also observes that contempt of order is the disobedience of an order of a court concerning land caveat, the study also enumerated the punishment metted for a contemptor. Finally, it suggests that the communities should identify potential conflicts and create conflict management plans in advance to minimize land conflicts in the communities.

Keywords: Caveat, traditional leadership, conflict, contempt of order and punishment.

Mkpọlite

Esemokwu bụ ihe na-adapụta oge niile n'ụwa niile gbaa gburugburu. Esemokwu na-apụta n'ọnọdụ ọbụla na n'ụdị ọbụla. Dike, (1990) kwuru na ewepu mmadụ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya, esemokwu alaa kpamkpam. Ihe Dike na-akọwa bụ na ọ bụ site na mbikọta ọnụ mmadụ na ibe ya ka esemokwu si ebido. Na nkọwa nke ya, ọbụrụ na mmadụ na ibe ya ebikọtaghi, agaghị enwe ihe dịka esemokwu ma ncha ma ncha. Esemokwu nwere ike ịdị n'etiti otu onye na ibe ya, ezinaụlọ na ezinaụlọ, obodo na obodo wee dịrị gabazịa. Esemokwu na-abịa site n'ụzọ dị iche iche dịka igbu mmadụ, asịrị, ohi, ịzọ ihe na ihe ndị ọzọ. Ọ bụ eziokwu na esemokwu dị ọtụtụ mana nke kaachapụta ihe ma na-abịakwa oge ọbụla bụ ọzụzọ ihe. Ka osinadị, esemokwu ọbụla na-enwe etu esi ekpezi ya. Enwere ụzọ abụọ kaacha pụta ihe esi edozi esemokwu nke nwere ike ịbụ site n'ịga ụlọ ikpe ndị oyibo ma ọ bụ iga n'ụlọ ikpe ndị ọchịchị ọdịnala obodo.

Mgbe ụfọdụ, ịwega esemokwu n'ụlọ ikpe ndị oyibo na-eme ka ikpe ahụ nọtee aka tupu ekpechaa ya, nke a nwere ike ibutere mmadụ abụọ maọbụ otu abụọ na-ese okwu ọbara mgbalielu n'ihi, bịa taa bịa echi ndị ụlọ ikpe oyibo. Ọzọkwa, ikpe ikpe n'ụlọ ikpe ndị oyibo (court) na-ebute i maa onye ka ibe ya n'iwepụta ego. N'ụzọ dị out a, ikpe nwere ike ịnaara onye bụ ọgaranya, onye bụ ogbenye n'ime ha gbara aka laa na ihe bụ nke ya n'ihi na onweghị ego ma ọ bụ mara mmadụ. N'aka nke ọzọ, ọtụtụ ikpe e kpere n'ụzọ ọdịnala na-aka ewepụta eziokwu. Ọ bụ ndị ọchịchị ọdịnala ka ọ dịịrị ikpe ikpe n'obodo. Ndị ọchịchị ọdịnala nwere ụzọ dị iche iche ha si ekpezi esemokwu dapụtara n'obodo nke emere ka ha mara.

Ndị ọchịchị ọdịnala bụ ndị ọha obodo họpụtara site na mkpụrụ na mkpụrụ ka ha na-elekọta obodo na ndị niile nọ n'obodo. Ofomata (2012) kọwara na ndị ọchịchị ọdịnala bụ ndị ọrụ ha bụ ihụ na nsogbu na esemokwu adịghị n'obodo ha na-achị. Ha na-eweta udo na ịhụnanya n'obodo. Ụzọ ha si elekọta obodo ha na-achị bụ idozi esemokwu ọbụla dapụtara n'obodo ahụ. Ndị ọchịchị ọdịnala na-anọkọ n'obu maọbụ n'ụlọ onyeeze maọbụ n'ụlọ igwe na-achị obodo ahụ. Ọ bụ na nzukọ a ka ha na-anọ ekpezi ikpe pụtara n'etiti ndị ha na-achị. Esemokwu na-apụtakarị ihe kwamgbe kwamgbe n'obodo bụ ọzụzọ ala na akụ na ụba. Mgbe ọbụla ndị obodo wetara esemokwu sitere n'ịzọ ala maọbụ akụ na ụba n'etiti onwe ha, ndị ọchịchị ọdịnala na-agba mbọ ka ike ha ha ikpezi ya bụ esemokwu. N'akụkụ ebe dị iche iche n'ala Igbo, ọbụrụ na esemokwu adapụta n'etiti ndị obodo ma ọ bụ obodo na

obodo ọzọ, gbasara ala, ọ bụrụ na ndị na-azọ ihe ahụ ewere okwu ahụ we gara ndị ọchịchị obodo, ihe mbụ ndị ọchịchị ọdịnala ahụ na-eme bụ ịkwụsị ndị na-azọ ihe ndị ahụ ị ga ebe ala ma ọ bụ akụ na ụba ndị ahụ dị tutuu ha ekpecha ikpe ahụ wee chọpụta onye bụ onye nwe ala ahụ. Ha na-akwụsi ndị na-azọ ala ahụ ibanye n'ala ahụ site n'itu ogwuu. Ọ bụ nke a kpalitere mmụọ ndị nchọcha, ị chọpụta ihe bụ itu ogwuu na ihe niile gbasara ya.

Nsogbu Nchọcha

Mgbe ọbụla mmadụ ma ọ bụ obodo na ibe ya na-enwe mmekọrịta, esemokwu nwere ike ịdapụta n'ihi ndị iche n'echiche onye na ihe onye na-achọ mana mmadụ na ibe ya na-atọ bụ elete aghara. Igbo nwere ụzọ dị iche iche esi edozi esemokwu maọbụ nghọtahie n'etiti mmadụ na ibe ya, nwanne n anwanne, ezinaụlọ na ezinaụlọ, ụmụnna na ụmụnna, obodo na obodo, otu na otu wdg. Ụzọ enwere ike isi dozie esemokwu n'obodo gụnyere inụ iyi, igba ndụ, ịgba ọriko, ijụese, itu ogwuu na ndị ọzọ. Itu ogwuu dịka otu ụzọ n'ụzọ esi edozi esemokwu dapụtara n'obodo bụ usoro esi eme ka ọhanaeze mara n'ala ahụ na-eseokwu. Itu ogwuu bụ mgbe mmadụ wetara ihe dịka osisi nwere eriri fịkọ ya n'isi, gwụnyere n'ala ahụ na-eseokwu. Ọ bụ ihe dị etu a mere ndị nchọcha ji wee na-ajụ gịnị bụ ogwuu nakwa ihe bụ itu ogwuu.

MbụnucheNchọcha

Mbụnuche nchọcha a bụ inyocha ihe bụ ogwuu na itu ogwuu dịka ụzọ esi edozi esemokwu n'ala Igbo. Nchọcha a lebakwara anya n'ihe ndịa:

1. ịchọpụta ihe na-ebute itu ogwuu
2. inyocha ndị ọdịịrị itu ogwuu
3. igbuji ogwuu
4. ihe a na-eme onye gbujiri ogwuu

Ajụjụ Nchọcha

I ji nweta ebumunuche ndị nchọcha, ndị nchọcha hibere ajụjụ ndị a:

i. Gịnị na-ebute itu ogwuu?
ii. Kedu ndị ọdịịrị itu ogwuu
iii. Gịnị bụ igbuji ogwuu
iv. Gịnị ka a na-eme onye gbujiri ogwuu

Oke Nchọcha

Ebe nchọcha a jedebere bụ na mpaghara obodo ise dị n'ala Nsụka. Obodo ndịa bụ Okpuje, Ezianị, Obimo, Orba na Obi. Ọ bụ ndị okenye otu otu ka agbara ajụjụ ọnụ na mpaghara obodo ndị a nke a mere ka ndị agbara ajụjụ ọnụ dị mmadụ ise, ndị kọwara ihe gbasara itu ogwuu n'obodo ndị a dị iche iche.

Ntuleharị Agụmagụ

Nkọwa Isiokwu

Ogwuu

Ogwuu bụ ọmụ nkwụ ekechiri n'isi ya. Dịka Onowu Fredrick Ogbuanya siri kọwaa, ogwuu bụ ihe niile akpọrọ aha dịka maa a na-eji egwuzo n'ala ma e bụ akụ na ụba na-ese okwu n'ime obodo. Na nkọwa ya, ọ kwuru na ogwuu nwere ike idi n'ụdi eriri ejiri kebie ala ma ọbụ ihe ndị na-ese okwu dịka nkwụ, ujuru, kashu, ube na ụkwụ osisi akụ na ụba na-ese okwu ndị ọzọ.

Ọchịchị Ọdịnala

Ọchịchị ọdịnala bụ ụdị ọchịchị dịịrị ndị ime obodo. Ndị ọchịchị ọdịnala dịịrị bụ ndị ọkpara, ụmụnna, ụmụada, otu ọgbọ, ndị okenye na ọhanaeze. Maazi Ikechukwu Ugwoke kọwara na ọchịchị ọdinala bụ ụdị ọchịchị dịịrị ndị nwere uche n'obodo. Na nkọwa ya, o kwuru na onye enweghị uche anaghị achị ọchịchị ọdịnala, ihe ọsọrọ onye ahụ ya bụrụ. Na nghọta nke anyị ọchịchị ọdịnala bụ maka ndị nwere uche nwe ike ichikwata obodo ka obodo dị n'udo.

Nha

Nha bụ ihe a na-agwa onye dara iwu mee ka enwee ike hapụ ya na iwu ọ dara. Ọ bụ ihe mmadụ na-eme iji gbapụta onwe ya n'iwu ọ dara. Ọ bụ ndị nwe iwu mmadụ dara na-ada onye dara iwu nha. Nha bụ ntaramaahụhụ a na-ata mmadụ maka iwu mmadụ dara. Dịka Ezenwa Ogbobe si kọwara ụdị nha a na-ada mmadụ sitere n'ụdị iwu onye ahụ dara.

Atụtụ

N'ọrụ a, anyị ga-eleba anya n'atụtụ dị iche iche e nwere ike iji rụọ ọrụ gbasara ogwuu na itu ogwuu. Ụfọdụ atụtụ ndị ahụ bụ atụtụ ebimndụ, arụ ma ọrụ, usoro na atụtụ ọha (societal theory).

Atụtụ Ebimndụ (cultural theory)

Atụtụ a na-akọwara anyị na omenala malitere mgbe mmadụ malitere ndụ ya n'ụwa. Onye tụpụtara atụtụ a bụ Leslie White (1975). Ọ na-akọwa na ọ bụ site na mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ibe ya mere eji nwe omenala Okorie (2009) kwadoro atụtụ, ịkọwara

Omenala dị ka ihe a na-eme na'ala na etu ndị obodo si achikwa onwe ha.

Atụtụ Arụmaọrụ (functionalis theory)

Ndị tọrọ ntọala atụtụ a bụ Radolitte-Brownna Malinowski n'afọ (1920). Ha kwenyere na dịka mmadụ si nwee akụkụ ahụ dị iche iche dịmkpa ma jikọọ ọnụ iji mee ka ahụ mmadụ rụọ ọrụ o kwesiri ịrụ nke ọma, otu ahụ kwa ka otu ọbụla si nwee akụkụ dị iche iche jikọrọ ọnụ ma kwụrụ onwe ya ịrụ ọrụ o kwesiri ịrụ nke ọma. Ha kwenyere na mmadụ nkịtị nwere ihe dị oke mkpa na-akpa ya n'obi, bụ nke kwesiri ka emejupụta ya iji mee ka ọdịwanye ndụ. Ya bụ mgbe mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa na-azọ ihe, ndị ọzọ kwesiri ijikọọ aka ọnụ wee kpezie esemokwu ahụ dapụtara.

Atụtụ Usoro

Atụtụ a na-akọwa na ihe ọbụla nwere usoro a na-agbaso na-eme ihe ka ọgaa nke ọma. Onye bụ nna atụtụ usoro bụ Levi-Strauss na - akọwa na ihe na-enweghị usoro anaghi agazi nke ọma. Nke a dabara na nchọcha a n'ihi na mgbe mmadụ na ibe ya na-ese okwu maọbụ azọ ihe, onwere usoro a na-agbaso ekpezi ya bụ esemokwu. Usoro ndị a na-eme ka ọchịchị ọdịnala nwee ezigbo usoro ha na-agbaso edozi esemokwu na-adapụta.

Atụtụ Ọha (societal theory)

Atụtụ ọha bụ nke Auguste Comte chepụtara n'agbata afọ (1798–1857) nk e lebara anya n'echiche, nrụrịta ụka, ntụlekọrịta echiche na-akọwa ebumunobi maka etu na ihe mere mmadụ nọ n'ụwa siri biri na-agbanwe na ka ihe si etolite kwamgbe kwamgbe na ka ihe ahụ si ehichapụ n'ụwa. Atụtụ a na-akọwa na mmadụ bi n'ụwa nwere echiche nwe ebumnobi ihe nwe nwe n'ụwa nke mere na mmadụ na ibe ya na-azọ ihe mgbe ọbụla. Atụtụ a dabakwara na ọrụ nchọcha a n'ihi na ọ na-eleba anya na mmekọ ọra mmadụ na ibe ya.

Ihe Emerela Gbasara Isiokwu

Ikeh (2015) mere nchọcha ntaramahụhụ dịịrị onye ọbụla mere arụ. Ọ chọpụtara na ntarama ahụhụ a na-ata onye mere arụ dị iche iche dịka ụdị arụ onye mere siri dị. O kwuru na ntarama ahụhụ ndị ahụ nwere ike ịdị n'ụdị ịpụ ara, ọrịa, nha ego, ida ogbenye, nchụpụ maọbụ ọnwụ. O mere ka amata na-agbanyeghị ọbịbịa ndị ụka bịara na Nnewi Nọọtụ na ọka nwere arụ ndị na-agbanweghị rue ugbua, arụ dịka mmadụ ịkwụ ụdọ na mmadụ igbu ibe ya. O jiri ajụjụ ọnụ wee nweta njatule o jiri rụọ ọrụ. Ọrụ Ikeh (2015) na ọrụ nchọcha a yitere onwe ha n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka ihe bụ arụ na ntarama ahụhụ a na-ata onye mere arụ. Ha abụọ dị iche n'ihi na ebe nchọcha Ikeh lebara anya n'ihe bụ arụ na Nnewi Nọọtụ, nchọcha nke a na-eleba anya n'igbuji ogwuu dịka arụ n'ala Nsụka.

Unigwe (2015) nyochara arụ na nsọ ala dịka o si metuta obodo Ezinifite nke dị n'okpuru ọchịchị Nnewi South LGA nke steeti Anambra. Mbunuche ya bụ iziputa nsọ ala ndị Ezinifite nakwa ahụhụ dịịrị onye ọbụla meruru nsọala a. Ọ chọpụtara ọtụtụ arụ dị iche iche dịka arụ ọha obodo, nke gụnyere arụ gbasara ebe edoro nsọ, arụ gbasara akwamiko nakwa arụ nke metụtara ụmụnwaanyị. Unigwe chọpụtara ntarama ahụhụ dịịrị onye ọbụla mere arụ. Ọ kọwara na mmadụ abụọ nwere ike mee otu ihe mana ntarama ahụhụ ha nwere ike ịdị iche. Nchọcha Unigwe (2015) na nchọcha a yitere onwe ha n'ihi na ha abụọ na-arụtụ aka n'ihe gbasara arụ mana ebe ha abụọ nọrọ dị iche bụ na Unigwe (2015) na-akọwa maka ntarama ahụhụ onye ọbụla mere arụ, ebe nchọcha a na-ezipụta ntarama ahụhụ onye gbujiri ogwuu na Nsụka.

Anaedo (2004) mere nchọcha na mmebi iwu n'Omambala. Na nchọcha ya, ọ chọpụtara ihe na-ebute okwu ala na ụzọ dị iche iche esi edozi esemokwu dịka inụ iyi, ịgba ndụ, orikọ na ihe ndị ọzọ. O nwetara njiatule ya site n'ịgba ajụjụ ọnụ. Ọrụ Anaedo (2004), na ọrụ nkea yitere onwe ha n'ihi na ha abụọ na-agbado ụkwụ n'esemokwu na mkpezi esemokwu mana ebe ha si dị iche bụ na ebe ọrụ Anaedo (2004) nyochara mmebi iwu na obodo Omambala, nchọcha nke a na-eleba anya na igbuji ogwuu dịka arụ na Nsụka.

Aliso (2021) lebara anya n'arụ na nsọ ala n'omenaala Enugwu-Ezike. Atụtụ ọ gbasoro wee mee nchọcha ya bụ atụtụ ebim ndụ. Ebumnuche nchọcha ya bụ ịchọpụta arụ na nsọ ala ndị pụtara ihe n'Enugwu-Ezike n'oge gboo na n'oge

ugbua. Nchọcha ya chọpụtara na e nwere nsọ ndị metụtara ezinaụlọ, nwekwa ndị metụtara ọha obodo. Ọ chọpụtakwara na onye ọbụla mere arụ maọbụ ihe ala na-asọ nsọ nwere ntaram ahụhụ dịịrị ya. Ọrụ Alison (2021) na nchọcha a yitere onwe ha n'ihi na ha abụọ na-akọwa maka arụ na ntarama ahụhụ onye mere arụ. Ebe ha abụọ nọrọ dị iche bụ na ebe Alison (2021) lebara anya n'arụ na nsọ ala n'omenaala Enugwu-Ezike, ọrụ nchọcha a na-eleba anya n'igbuji ogwuu dịka nsọ ala n'Nsụka.

Nchịkọta ntulegharị agụmagụ

Anyị lebara anya n'ụfọdụ isiokwu, tụlee ụfọdụ atụtụ ma lebakwaa anya n'ọrụ ndị ọzọ emegoro yitere isiokwu a ndị dịka (Anaedo 2004), Ike (2015), Unigwe (2015), na Alison (2021). Na nyocha anyị mere, anyị chọpụtara n'ọrụ nchọcha ndị a niile enyochara, na onweghị nke gbadoro ụkwụ na ogwuu na igbuji ogwuu dịka ụzọ mkpezi na Nsụka. Ọ bụ nke a kpalitere mmụọ ndị nchọcha iji lebaa anya n'igbuji ogwuu dịka ụzọ mkpezi na Nsụka.

Atụtụ Ntụcha Data

Atụtụ niile anyị nyochara dabachara n'isiokwu a mana anaghi awụnye aka niile n'ọnụ otu oge, nke a mere ndị nchọcha jiri họrọ otu atụtụ mara abụba iji wee tụchaa data. Atụtụ ahụ bụ atụtụ omenala ebim ndụ. Ndị tụpụtara ya bụ Leslie White (1975) ọ na-akọwara anyị na omenala malitere mgbe mmadụ malitere ndụ ya n'ụwa a. Ha na-akọwa na ọbụ site na mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ibe ya mere eji nwe omenaala. Site na mmekọrịta mmadụ na ibe ya ka esi enwe esemokwu ala bụ nke kacha apụta ihe na ndụ ndị obodo. Esemokwu ala bụ ọgba aghara dị na ndị kwee ndị ekweghi n'ihe gbasara ala. Atụtụ a dabara nke ọma n'itụcha ihe gbasara mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

Ntụcha Data

Mgbe ọbụla mmadụ na mmadụ ibe ya na-enwe mmekọrịta a ga-enweriri nsogbu na esemokwu ga-adapụta. Na ntụcha data anyị nwetara, anyị ga-eleba anya n'ihe ndị a. Esemokwu, ịzọ ala, ogwuu. Ndị na-etu ogwuu, igbuji ogwuu, na ntarama ahụhụ onye gbujiri ogwu.

Esemokwu

Esemokwu bụ mgbe mmadụ na ibe ya, obodo na obodo ebighi n'udo. Mgbe mmadụ na-abụ ọ hụ mmadụ ibe ya, iwe e wee ya, o nwe emgbarụ ihu, ịmara na

esemokwu dị na-etiti mmadụ ahụ na ibe ya. Ebighi n'udo, enweghi obi anụrị bụ esemokwu. Nke a dabara n'ihe Maazi Ikechukwu Ugwoke kwuru mgbe anyị na-agba ya ajụjụ ọnụ n'ihe bụ esemokwu. O kwuru na esemokwu na-agba ọsọ ụkwụ erughi ala n'ebe a na-ebi n'udo. Ọtụtụ ihe na-ebute esemokwu n'etiti mmadụ maọbụ obodo n'ibe ya, ụfọdụ ihe ndị ahụ gụnyere agwa dị iche iche, enweghi ezi nghọta, asịrị, ajụghi ese, oke mpako, ajọ ọnụ na ihe ndị ọzọ. Esemokwu na-apụta n'ụdị dị iche iche dịka arụmarụ ụka, akpọmasị, ekwekọrịtaghi, ịlụ ọgwụ, ịzọ ihe enweghi isi, ịzọ ala, enwemenwe akụ na ụba na ụdị esemokwu ndị ọzọ dị iche iche.

Ịzọ ala

Ịzọ ala bụ esemokwu na-adị n'etiti nwanne na nwanne, ezinaụlọ na ezinaụlọ, obodo na obodo. Ihe na-ebute ịzọ ala maọbụ akụ na ụba na-abụkarị mgbe a na-enweghizi ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ abụọ maọbụ otu abụọ. Otu onye nwere ike chọọ ka o were ihe onye ọzọ. Dịka Onowu Fredrick Ogbuanya siri kọwaa (ajụjụ ọnụ) esemokwu ala bụ ihe na-apụta kwamgbe kwamgbe. Ọ na-apụta n'ụzọ ọbụla nwanne nanwanne, otu onye na ezinaụlọ, ezinụlọ na ezinụlọ ọzọ, obodo na obodo were dịrị gaba. Na nchịkọta okwu ya, o mere ka anyị ghọta na esemokwu ala bụ ọgbaaghara dị na ndị kwee ndị ekweghị n'ihe gbasara ala.

Ogwuu

Ogwuu bụ ihe enwere ike tụkwasị n'elu ihe ọzọ iji mee ka mmadụ ghara iwee ihe ahụ ọdị n'elu ya. Onyishi Eze Nwa Ogbobe (okwu ọnụ) mere ka anyị ghọta na ogwuu bụ mma (mmụọ). Ọ gara n'ihu kọwara anyị na n'ala Igbo, na enwere ike iji ihe ọbụla mere maa. Na nkọwa ya, ogwuu nwere ike ịdị n'ụdị ọbụla dịka. O nwere ike ịbụ echụchụ/ọmụnkwụ ekechiri n'ọnụ ya, o nwere ike ịbụ i were eriri kee gbụrụgbụrụ ihe ahụ a na-azọ azọ.

Itu ogwuu

Itu ogwuu nwere ọtụtụ aha dị iche iche n'obodo dị iche iche anyị mere nchọcha. Okpuje na-akpọ ya itu ogwuu, Eziani na-akpọ ya imachi ala, Obimo na-akpọ ya Ituchi ala, Orba kpọrọ ya isuchi ala, ebe Obi kpọrọ ya ịsụpụ ala. N'agbanyeghi aha dị iche iche a na-akpọ ya n'ebe dị iche iche, ihe ha niile pụtara bụ otu ihe. Na nkọwa nke ya, Zack Ayogu kwuru na itu ogwuu bụ ịmachi ala na-ese okwu ka onye ọbụla ghara iga mee ihe ọbụla n'ala ahụ tutuu ekpecha ikpe dị na ya. Maazị

Ayogụ mere ka anyi ghọta mgbe anyị na-agba ya ajụjụ ọnụ na ọbụghị onye ọsọrọ ọ gaa tuchie ala kama na ituchi ala/itu ogwuu bụ maka onye chọrọ ikpezi esemokwu gbasara ala ahụ a na-azọ azọ. Mmadụ maọbụ otu abụọ ahụ na-azọ ala enweghi ikike ituchi ala ahụ kama ọ bụ onye chọrọ ikpezi okwu ala na-etuchi ala.

Itu ogwuu maọbụ ituchi ala so n'otu ụzọ esi ekpezi maọbụ edozi esemokwu ala. Ọ bụ mgbe mmadụ jere tunye ihe n'ala ebe onye ọbụla gafetere n'ala ahụ ga-ahụ ya. Ogwuu na-adị na mpụta ala nke anya ọbụla gafere ebe ahụ nwere ike ihụ ya. Onye ọbụla hụrụ ala ejiri eriri kee gburugburu maọbụ nke etunyere ihe dịka ọmụnkwu ekechiri n'ọnụ ya amarala na ala ahụ na-eseokwu. Na nkọwa nke ya, Onowu Fredrick Ogbuanya kwuru na itu ogwuu bụ ibechi ala a na-azọ azọ ka onye ọbụla wepu aka na ya tutu achọpụta onye bụ onye nwe ala ahụ n'eziokwu. Ọ gara n'ihu kọwaa na itu ogwuu na-enye ohere ka ndị na-ekpe ikpe ala nwee ike na oge chọpụta eziokwu gbasara ala ahụ site n'ijụ ajụjụ dị iche iche gbasara ala ahụ. O kwuru na oge ala nọ n'ogwuu, ka a na-akpọ ndị akaebe, jụọ ha ajụjụ dị iche iche gbasara ala nọ n'okwu. Ọ kọwakwara na mgbe eturu ogwuu n'ala, na ndị na-ekpe ikpe ala ahụ na-aga ịhụ ala ahụ na-eseokwu. Onowu Ogbuanya mere ka anyị ghọta na mgbe ọbụla ndị ikpe na-aga ịhụ ala ahụ na mmadụ abụọ ma-abụ otu abụọ na-azọ ala ahụ na-eso a ga n'ala ahụ. Ọ bụ ndị ahụ na-azọ ala bụ ndị ọ dịịrị ịkọwara ndị ikpe ka oke ala ahụ si gaa. Ọ gakwara n'ihu kọwara anyị na ọ bụ n'ime ala ahụ ka a na-anọ ajụ ndị na-azọ ala na ndị aka ebe ha ọtụtụ ajụjụ gbasara ala ahụ ha na-azọ. N'ikpeazụ, ọ kọwara anyị na ọbụghị ụbọchị ahụ agara hụ ala ahụ na-eseokwu bụ ụbọchị a na-ekpebi ikpe ala. Ọ chịkọtara aziza ajụjụ anyị jụrụ ya site n'ikwu na itu ogwuu bụ ụzọ esi echekwa ala na akụ na ụba na-eseokwu tutuu achọpụta onye maọbụ ndị nwe ya n'eziokwu.

Ndị na-etu ogwu

Onyeishi Christopher Ugwu mere ka anyi ghọta na itu ogwuu abụghị egwu ụmụaka. Ọ kọwara na ọbụghị onye ọbụla ọ masịrị ọga a tuo ogwuu n'ala. Ọ gara n'ihu kọwa na ndị ọ dịịrị itu ogwuu n'ala bụ onyishi obu, ndị atamamaa, ndị igwe obodo na ndị na-achị achị. Ọ kọwara na ebumnobi ndị na-etu ogwuu n'ala bụ ka ndị na-azọ ala ghara igbu onwe ha n'ime ala ahụ ebe ha na-azọ ya. Na nkọwa ya, okwuru na onyishi maọbụ onye chọrọ itu ogwuu nwere ike izi mmadụ ya gaa tuchere ya ala na-eseokwu. Ihe ọ na-akọwa bụ na ọbụghị iwu na agadi nwoke ma ọ bụ onyeisi obu ga-eruriri n'ala ahụ were tuchie ya. O mere ka anyị mata na onye

turu ogwuu ga na-eleba anya n'ala ahụ iji hụ na onweghi onye bara na ya were ihe na ya ma ọ bụ rụba ọrụ na ya tutuu ekpechie ikpe dị na ya. N'okwu ya, o kọwara na ihe kpatara eji etu ogwuu n'ala bụ ka e nwee ike chọpụta onye nwe ala ahụ na-eseokwu. Ọ kọwara na onye ọbụla hụrụ ogwuu eturu n'ala kwesiri kwanyere ya ugwuu site n'iwepụ aka n'ihe niile dị n'ala ahụ. Na mgbe a na-eme nke a ka a na-akwanyere ndị ichie obodo ahụ ugwuu. Onye gara were ala ahụ maọbụ were ihe dị n'ala ahụ na-achọ ndị obodo okwu. Nke a pụtara na o nupula isi n'iwu obodo nke a na-akpọbuji ogwuu nke ga-ebutere ya nnukwu ntarama ahụhụ.

Oge eji etu ogwuu

Ihe ọbụla a na-eme eme nwere mgbe eji eme ya. Ogwuu nwere mgbe eji etu ya. Atama Ugwu kọwara na ọ bụghị mgbe ọbụla ala na-eseokwu a ga a tuo ya ogwuu. Na nkọwa ya, omere ka anyị ghọta na ozugbo mmadụ rụrụ ọrụ n'ala, na anaghị etu ya ogwuu wee ruo mgbe o wepuchara ihe ọ kụrụ n'ala. Ihe ọ na-akọwa bụ na anaghị etuchi ọrụ mmadụ rụrụ kama ala enweghị ihe arụrụ na ya. Ọ gara n'ihu kọwa na ihe a na-agwa onye rụrụ ọrụ n'ala a na-azọ azọ bụ "ọ bụrụ na iwepu ihe ịrụrụ n'ala ahụ, kwusị ịrụ ya ọrụ ọzọ". Nke a na-egosi na mmadụ enweghi ike itu ogwuu n'ala arụrụ ọrụ na ya, kama ọ na-abụ mgbe mmadụ sụchachara ala chọọ ịrụ ya ihe, ka a na-aga tuchiri ya ma ọ bụrụ na onye ọzọ pụtara sị na ya nwe ya, nke pụtara na a na-azọ ala ahụ azọ. A na-eji itu ogwuu eme ka e nwee oge nwee ike ị chọpụta onye bụ onye nwe ala ahụ a na-azọ azọ. N'ala Igbo, onye ọbụla hụrụ ala eturu ogwuu amarala na ala ahụ dị n'okwu. Onye tinye aka n'ala e turu ogwuu amarala na ya na ahụhụ ga-eme.

Igbuji Ogwuu

Igbuji ogwuu bụ oke ihe n'ala Nsụka. Igbuji ogwuu pụtara mmadụ ị ga rụba ọrụ maọbụ were ihe n'ala eturu ogwuu. Ala eturu ogwuu bụ ala na-eseokwu n'ụlọ ikpe obodo ma ọ bụ nke ndị oyibo nke mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa na-azọ onye nwe ya. Dịka Maazi Okoro Nnadi siri kọwara anyị, igbuji ogwuu bụ arụ dị ukwuu n'Obimo. Ọ kọwara na ọ bụ mgbe mmadụ gbara isi akwara ga rụba ọrụ ma ọ bụ werewe ihe n'ala e turu ogwuu. Onye mere ihe dị etua kpara arụ nke pụtara na o nwere ahụhụ ọ ga-ata maka ajọ ihe omere. N'otu aka ahụ, Maazị Arụmọna n'Ọbụkpa kọwara na igbuji ogwuu bụ arụ kachasị arụ n'aka Ọbụkpa nke na onye mere ya anaghị apụta n'ahụhụ ya ngwa ngwa.

Alex Eze kọwara mgbe anyị na-agba ya ajụjụ ọnụ na onye gbujiri ogwuu na-arụ nye ndị obodo aka n'anya. Ọgara n'ihu, kọwa na onye dị etua na-akpari ndị obodo site n'ịga were ala nọ n'esemokwu. Onye dị etua nwere ihe ndị obodo ga-agwa ya mee maka arụ ọkpara.

Ntarama Ahụhụ Onye Gbujiri Ogwuu

Omume ọbụla mmadụ mere n'ụwa nwere ihe na-esote ya. Onye mee ihe ọma, ihe ọma esote ya, onye mee ihe ọjọọ ihe ọjọọ esote ya. N'ọchịchị ọdịnala, mmadụ mee arụ, enwere ahụhụ a na-ata ya. Igbuji ogwuu bụ arụ n'ala Nsụka. Onye gbujiri ogwuu dịka Arụmọna Ukwueze siri kọwa, na-ajụ ma onye turu ogwuu ma ndị ọha obodo "gịnị ka ha nwere ike ime". Ọ bụ site na ka igbuji ogwuu si bụ ihe ọjọọ na Nsụka mere oji wee nwee nnukwu ntarama ahụhụ a na-ata onye gbujiri ogwuu.

N'ala Okpuje (otu na mpaghara Nsụka), onye gbujiri ogwuu gburu mma ọdịnala obodo. Ihe dị etu a mee, Okpuje niile na-aga be onye ahụ nọrọ. Ndị otu dị iche iche ga-achịrị ihe egwu nke ha kụrụ egwu na aga na be onye gbujiri ogwuu. Ha na-aga ị gwa onye ahụ na o mere arụ na ihe onye ahụ ga-eji kpụ arụ o mere. Otu ndị ahụ na-aga bụ otu ndị nọchitere anya Okpuje niile. Otu ndị ahụ gụnyere: ndị ọgbaagbudu (adamada), ọha ikorobịa (ọhaesatọ), ọha Okpuje, Atama mma dị iche iche dịka-atama Ugwu, Atama Ahəmuze, atama Obata, atama ani, atama ogenakpa, atama ayata, ndị lọọlanyi na na ọzọ dị iche iche. Na nkọwa ya, Ezenwa Ogbobe mere ka anyị mata na mgbe ndị otu ndị a dị iche iche ruru na be onye gbujiri ogwuu, ha niile ga-anọdụ ala n'akụkụ dị iche iche. Mgbe nke a mecahra, ndị ọgbagbudu ga-ewere azịza na-aza ebe niile na ama (otobo) niile. Eze kọwara na mgbe nke a na-eme, na ọ bụ onye gbujiri ogwuu ka a na-atụ anya ka ọgaa rịọba ndị ọgbagbudu ka ha kwusi ịzaa ezi. Eze mere ka anyị mata na ndị ọgbagbudubụ ndị isi ada na mkpụrụ dị iche iche mebere Okpuje. Ọkọwara na ndị a bụ ụmụnwaanyị kachasị kaa nka na mkpụrụ dị iche iche. O kwuru na ha nwere akụkụ ha na-anọ n'ime Orie Okpuje nke a na-akpọ ọnụ Orie. Ebe ahụ ka ha na-anọ ụbọchị Orie niile, onye gafete ebe ha nọ, onye ha onyinye dịka ego na ihe ndị ọzọ dị iche iche. Onyishi Eze Nwa Ogbobe gwara anyị na aha ọzọ a na-akpọ ndị ọgbagbudu bụ adamada. Ndị otu a dị oke mkpa n'obodo dị iche iche n'ala Igbo.

Ka osinadị, Ezenwa Ogbobe gara n'ihu kọwa na mgbe arịọchara ndị ọgbagbudu, ha akwụsị ịza ezi, na ndị ọha obodo ga-agụpụtara onye gbujiri ogwuu ihe ọ ga-

eme tupu ndị ọbịa niile bịara be ya alaa. Ọ kọwara na onye ahụ ga-ebunye ha obele njina mmanya, efere ọjị efere ọjị (nke na-adị mkpụrụ otu narị), nke a ka ọ ga-ebunye otu dị iche iche n'otu n'otu, ọzọkwa, na ọ ga-esi nri ga-eju otu ahụ dị iche iche ihe a na'akpọ ikpo oyoyo n'ụdị ego, bịa nyekwa otu ndị ahụ ego mmanya ogwuu nke na-enweghi ọnụ. Ihe ndị a niile ka onye gbujiri ogwuu ga-emecha tupu ndị obodo ahapụ ya.

N'ị ga nihu, Ogbonaa Ayọgụ mere ka anyị mata na onye gbujiri ogwuu emeghi ihe ndị a niile o kwesiri ime, na a na-ewuchi ya n'obodo. Na mgbe ụfọdụ, a na-achụpụ onye ahụ n'obodo kpamkpam.

Nchịkọta

Itu ogwuu bụ ihe dị oke mkpa na ala Nsụka n'ihi na ọ bụ usoro ndị Nsụka wubere iji wee hazie obibindụ, nrubeisi, mkpakọrịta n'usoro ọchịchị ọdịnala ha. Ọ bụ usoro ha haziri iji wee na-achịkwaba ndị obodo nke na-enyere ha aka ikpe ikpe ziri ezi ọkachasị mgbe a na-ekpe ikpe ala na akụnaụba na-eseokwu.

Nchọcha a lebara anya n'ihe bụ ogwuu, itu ogwuu, ndị na-etu ogwuu, oge eji etu ogwuu, igbuji ogwuu na ntaramaahụhụ onye gbujiri ogwuu. Nchọcha a mereka anyị mata na igbuji ogwuu bụ nnukwu arụ na Nsụka nke bụ na onye nwaa anwaa gbujie ogwuu, o were eze ya kpere ekwere.

Ntunye aro

Ndị nchọcha a tụnyere aro na ndị ọchịchị ọdịnala obodo ga na-enwe ọgbakọ ebe ha ga na-akọwara ndị obodo ha na-achị ọtụtụ ihe ndị bụ arụ n'obodo na ihe ndị eji akpụ arụ dị iche iche ka ndị ha na-achị ghara ịnọ na ngaara amara.

Ọzọkwa, ha na-atụnye aro na ndị nchọcha ọzọ nwere ike lebaa anya na ogwuu na igbuji ogwuu ka ọdị taa.

Edemsibia

Alison, F.A. (2021). Arụ na nsọala n'omenaala Enugwu. Ezike Otu Ọdị n'oge ugbua. B.A. Thesis, UNN.

Anaedo, A.O. (2004). Violation of taboos among Omambala people: Socio-political implications: M.A. Thesis, Nnamdị Azikwe Univeristy.

Ikeh, O.M. (2015). Arụ na nsọala na Nnewi nke dị n'okpuru ọchịchị Nnewi Nọọtụ n'Anambra Steeti. Arụmarụ B.A. Ngalaba Lingwuistiiks, Igbo na Asụsụ Naijiria Ndị Ọzọ, Mahadum Naijiria, Nsụka.

Leslie, A. White (1975). Theory of culture evolution. Columbia: University of Mission Press.

Levi-Strausa, C. (1971). Mytholoiquesw: Ihomewv,paris:plon.

Ofomata, E.C. (2012). Ndezu ụtọasụsụ maka ndị sinịo sekondiri. Enugwu: Format Press.

Okorie, R. (2009). Omenala na ewumewu ndị Igbo. Egwu: Cheston Agency Ltd.

Unigwe, C.L. (2005). Nchọcha arụ na nsọala dịka osiri metuta Ezinifite n'okpuru ọchịchị Nnewi South Anambra State. Arụmarụ B.A. Ngalaba Lingwuistiiks, Igbo na Asụsụ Naijiria ndị ọzọ, Mahadum Naijịrịa Nsụka.

Ndị Agbara Ajụjụ Ọnụ

	AHA ONYE AHỤ	**AHA OBODO**	**AFỌ ỌDI**	**AKA ỌRỤ**	**ỤBỌCHỊ**
1	Eze Nwa Ogbobe	Amaho Okpuje	98	Ọrụugbo	12–12–22
2	Alex Eze	Eziani	68	Ezumikenka	20–01–23
3	Okoro Nnamdi	Akpọtọrọ Obimo	76	Ọrụugbo	15–03–23
4	Fredrick Ugwu	Orba	60	Nkuzi	18–04–23
5	Arụmọna Ukwueze	Ọbụkpa	78	Ọrụ ugbo	14–02–23